# JERUSALEM ỌHỤỤ AHỤ

## Nkpughe 21:1-27.

## IHE ỌMỤMỤ 466 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye nēmeri gēketa ihe ndia; M'gābu-kwa-ra ya Chineke, ya onwe-ya gābu-kwa-ram nwa" (Nkpughe 21:7).**

### Ọhụ Dị Ebube

Onyeozi Jọn ahụwo ọhụ ọtụtụ ihe ọjọọ ná-eme – ikpé jọgburu onweya awụkwasịrị ndị ahụ jụrụ ịnara Kraist. Ma mgbe emesịrị ha, ekpughere ihe ọzọ n'iru ya nke dị nnọọ ebube nke ga ehichapụworị ihe ndịọzọ niile site n'uche ya. Ọ hụrụ eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ. Ụwa mbụ ahụ ebe enwewororị óké nsogbu na iruuju na ọlụ ọjọọ niile, ebe setan nwewororị ike dị ukwuu, agabigawo. Chineke, onye keworo ụwa mbụ ahụ, é kèwo nke ọhụụ ọzọ ebe mmehie ọ bụla ná-adịghị. Jọn na-eleba anya n'ihe dị n'iru mgbe aga atụbaworị setan n'ọdọ ọkụ ahụ, ebe ọ ná-apụghị kwa ibute nsogbu ọ bụla ọzọ. Ndị ajọomume niile ga-anọnye kwara ya "ndi-árú, na ndi-ogbu-madu, na ndi nākwa iko, na ndi nāgwọ nsi, na ndi nēkpere arusi, na ndi ugha nile…"

N'ezie ọ pụtara ndị ụgha niile. Chineke achọghị onye ụgha ọ bụla n'Alaeze Ya. Ọtụtụ ndị gbagọrọ agbagọ n'uche ha taa, ha anaghị échè kwa na Ọ dị njọ bụ ịgha ụgha, kama Chineke kwuru na ọ dị. Ndị ahụ niile na-agha ụgha ma ọ bụ ndị na-eme omume ụgha, ga-eketa òkè ha nime ọdọ ọkụ ahụ -- ọkụ na anaghị anyụ anyụ, ahụhụ ga na-aga n'iru ruo mgbe ebighi ebi.

Le otú ụwa ọhụụ ahụ ga-adịworị ebube! Anyị ga-enwe ike ịtụkwasị mmadụ niile obi. Ihe niile ga-adị n'udo -- agha agaghị adị kwa ọzọ. Iruuju agaghị adị kwa -- Chineke ga-ehichapụ kwa anya mmiri niile ọ bụla n'anya ndị ahụ. Ụmụ mmadụ ga-adị ndụ ruo mgbe ebighị ebi; ọnwụ agaghị adị kwa ọzọ. Ọ ga-abụ nnọọ ebe ọñụ ibi n'ime ya! Ma nke ka nke ahụ, ọ sịrị na Chineke ga-ebi kwa n'etiti ndị ahụ -- ọ bụghị náání Jisọs, kama Chineke Nna. Ugbu a anyị nwere ike ná-echè na Chineke nọ n'ebe dị anya nke ukwuu, ebe siri ike ịbịaru Ya nso. Anyị apụghị ịbịakwute Nna ma ọ bụghị site na Jisọs. Ma mgbe ahụ Ọ ga-ebinyere ndị Ya: "Ha onwe-ha gābu kwa ndi nke Ya, Chineke onwe-ya gānọnye-kwa-ra ha, buru kwa Chineke-ha." Lee kwanu ihe ọ ga-abụ na anyị n'otù n'otù pụrụ ijikere ugbu a ibi n'ụwa ọhụụ ahụ!

Anyị aghaghị imeri mmehie na ndụ nke a iji dị njikere ibinyere Chineke n'ụwa ọhụụ ahụ. Onye ọ bụla nke ná-achọ ịñụ "miri nke ndu," ahụ wee dị ndụ ebighị ebi, nwere ike ime ya. Ma onye ọ bụla aghaghị ịgbalị -- iwepụta onweya ibiri Jisọs ndụ. Anyị aghaghị ịbịakuke Jisọs ugbu a, ma na-edebe kwa Iwu Ya niile. "Onye nēmeri gēketa ihe ndia; M'gābu-kwa-ra ya Chineke, ya onwe-ya gābu-kwa-ram nwa" (Nkpughe 21:7). **Ihe Niile.** Jisọs nọ n'Eluigwe ugbu a ná-edoziri ụmụ Ya ebe obibi. Ọ banyebeghị n'obi mmadụ bụ ihe O doziworo anyị. Ọ dị mma karịa ihe ọ bụla anyị pụrụ iche échìchè banyere ya.

Jerusalem ọhụụ ahụ nke Jọn hụrụ ka ọ na-esi n'Eluigwe rịdata bụ nke sitere n'ebe Chineke nọ ga-adị ebube karịa ọbụná ụwa ọhụụ ahụ. Akwụkwọ Nsọ agwaghị anyị ebe ọ rịdatara ruo, ma ọ na-agwa anyị na mba niile nke ụwa na-ejégharị ijè nime ìhè Ya. Ọ na-amụke n'ìhè ahụ sitere n'eluigwe. Nwunye Ọhụụ nke Kraist ga-ebi nime ya.

### Nwunye Nke Kraist

Nwunye nke Kraist bụ òtù ndị Nke Kraist pụrụ iche. Ha bụ ndị nke oge ana-awụsị Mmụọ Nsọ -- oge Testament ọhụụ a -- ndị amụworo ọzọ, dịka Jisọs gwara Nikọdimọs na Jọn 3:7; Ndị edowokwara nsọ, dịka Jisọs kpeere ndị na-eso ụzọ Ya ekpere n'abalị ụbọchị ikpeazụ Ọ nọrọ n'elu ụwa (Jọn 17); ndị natawo kwara ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ, Onye Nkasiobi ahụ Jisọs kwere na mkwà mgbe Ọ na ala.

Ikwu na anyị enweworị ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ n'otù mgbe gara aga ezughị. Anyị ga na-ebi ndụ mgbe niile dịka Okwu Chineke na-atụzi aka, ná-edebe kwa mmeri ahụ nime obi anyị. Ọ bụrụ na anyị etufuo ịnụ ọkụ n'obi n'ọlụ Onyenweanyị dịka anyị nwewororị otù mgbe, ọbụrụ na anyị akpacharaghị anya ná-ebi ndụ, ọ bụrụ na mmụọ inwe obi ilu na inyocha ndụ ibe anyị ịchọpụta okwu nime ha egbebatawo nime anyị, ọ bụrụ kwa na anyị ka na enwe mmasị n'ihe nke ụwa karịa ihe nke Chineke, anyị etufuwo ịhụn'anya Chineke site n'obi anyị. Náání otù ụzọ dị inweghachi ya; bụ ibido n'isi, rịọ Jisọs ka Ọ gbaghara mmehie niile ahụ, kpee kwa ekpere ọzọ banyere odudo nsọ na ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ. Anyị ga-abụ ndị nke Kraist ná-emeri emeri ka anyị were nwe ike ibi na Jerusalem ọhụụ ahụ.

Otù narị mmadụ na iri abụọ (120) bụ ndị nọ nime Ụlọ Elu ahụ bụ ndị mbụ natara ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ. Ndị ọzọ natara ya mgbe ndịozi na-ezisa oziọma (Ọlu Ndi-ozi 10:44-48; Ọlu Ndi-ozi 19:6). Nke ahụ ka á na-akpọ Miri Òzùzò nke Mbụ. Na ọtụtụ narị arọ sotere, o nwere oge ndị mmadụ n'otù n'otù ná ọgbakọ ụmụ mmadụ na-anata ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ, kama anaghị awụkwasị ya n'ụba tutu ruo arọ 1906, mgbe Miri Òzùzò nke Ikpeazụ malitere izo. Anyị bụ ndị ahụ "nọ n'ebe di anya" ndị Pita kwuru okwu banyere ha n'Ụbọchị Pentikọst (Ọlu Ndi-ozi 2:39). Mgbe anyị nwesịrị odudo nsọ, anyị nọ ná njikere ịnata ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ. N'ezie, enyere anyị **iwu** ịnata ya. Site na ịwụ ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ anyị na-enwerị ike karịa imeri mmehie; anyị na enwe kwa Mmụọ Chineke nime ndụ anyị iduzi anyị n'ime omume dịka onye nke Kraist; anyị nwekwara Onye Nkasiobi ahụ inyere anyị aka na mgbe nsogbu; anyị na-enwe kwa ike ịgba àmà ná-alụ ezi ọlụ nye Onyenweanyị mgbe anyị na-ebi nime ụwa a; na mgbe Onyenweanyị ga-abịa ịchịkọta Nwunye Ya, anyị ga-enwe ihe ahụ n'obi anyị nke ga-aza òkù Ya, anyị ewe rapụ ụwa nke a ná ndụ.

### Obodo Ahụ Nwere Nkuku Anọ Ra Nrata

Enyere anyị nkọwa mara nnọọ ezi mma banyere Jerusalem ọhụụ ahụ. Enyererị anyị ịmata ka ọ ra na ịdị ukwu. Ọ dị narị mail iri na ise n'ogologo ya (150 miles), narị mail iri na ise n'obodobo ya, na narị maịlị iri na ise n'ịdị elu ya. Oghere ga-adị rinne nye ndị niile kwesịrị ibi n'ebe ahụ. Àmá ya niile bụ ọlaedo anụchara anụcha, dịka enyo ná-ahụ ụzọ. Ọ dịghị onye ọ bụla ga-adị n'ụbọchị ahụ, onye ga-erefu mkpụrụobi ya ihi ọlaedo. Mmadụ niile ga-amataworị ihe bụ ezi uru nke ndụ. Ọlaedo ga-abụ náánị ihe etere n'ụzọ ịga ijè n'elu ya.

Á ga-enwe ọnụụzọ ama atọ (nke ọ bụla ga-enwe otù nnukwu Pearl) ná mgbidi ọ bụla, nke ga-emezu ha niile iri na abụọ. Aha ebo iri na abụọ nke Ụmụ Israel ga-adị n'ọnụụzọ ama ahụ. Nke a na-ezipụta na Chineke bu ụzọ nye Abraham na agbụrụ ya bụ Ụmụ Israel, Oziọma Ya. Ọ bụ site na ha ka agara ezisa Oziọma ahụ gazuo ụwa niile. Ha bụ "Ọnụ-ụzọ-ama" ahụ ịba n'Alaeze Chineke.

Ọnụụzọ ama ịba na Jerusalem ọhụụ ahụ bụ ihe á na-adịghị emechi. Ndị bi n'ebe ahụ ga-enwe oghere ịdị ná-apụta apụta na ịdị n'ejé ebe ọ bụla ha chọrọ. Ndị nsọ ahụ enwogharịrị ga-enwe ụdị arụ Jisọs nwere mgbe O si ná ndị nwụrụ anwụ bilie, ha ga-enwe kwa ike ijé ebe ọ bụla site náánị n'inwe mmasị ijé ebe ahụ. Ndị nsọ ahụ nwere mmeri ka aga-eme ndị eze na ndị nchụàjà nye Chineke, "ayi gābu kwa eze n'elu-uwa" (Nkpughe 5:10). Abalị agaghị adị na Jerusalem ọhụụ ahụ. Ebube Chineke na-enye ya ìhè -- anyanwụ ma ọ bụ ọnwa adịghị kwa obodo ahụ mkpà.

Mgbe Jọn lekwasịrị óké ihe a ná-atụ n'anya anya, ọ hụrụ nkume niile nke dị óké ọnụahịa ejiri tọọ ntọ-ala obodo ahụ n'okpuru mgbidi ya.

Ha dị iri na abụọ, nkume ahụ dị kwa iche na ibe ya, elu ha kwa n'otù n'otù ka edekwara n'otù n'otù aha Ndị ozi iri na abụọ ahụ. Aha ya bụ kwa otù nime ha!

### Ọkpụkpọ Òkù Akpọrọ Jọn

Ọtụtụ ihe emewo site n'ụbọchị ahụ Jisọs kpọrọrị Jọn na nwanne ya Jemes mgbe ha na nna ha nọ n'egbu azụ! "Ngwa ngwa ha we rapu ugbọ ahụ na nna-ha, so Ya" (Matiu 4:22). Mgbe ahụ Jisọs bụrị "Onye Nazaret ahụ di ala," onye mmadụ ole na ole na-enwe mmasị n'ebe Ọ nọ. Ndị okpukpé nke ụbọchị ụkọ kpọrọ Ya asị. Ijéso Jisọs bụ nnọọ ihe ihere. Jemes na Jọn ajụghị ajụjụ ọ bụla banyere ọkpụkpọ òkù nke Jisọs. Ha enweghị kwa mmasị iritara onweha ihe ọ bụla n'uru. Ha chọrọ náánị inyere Jisọs aka ịgbasa ihe banyere Alaeze Ya. Ha jikere isoro Jisọs n'obi umeala Ya, na isoro Ya hụ ahụhụ ọnwụ n'ihi ụzọ Ya. Ha ahụtaghị banyere ngọzi niile nke a ga ekpokọbara ha.

Jọn amataghị n'ụbọchị ahụ ọ nọ n'ụsọ osimiri Galili na otù ụbọchị na ya ga-ede ọtụtụ akwụkwọ nke ọtụtụ nde (Millions) mmadụ ga-agụ -- Baịbụl taa, bụ akwụkwọ á na-ere n'ụwa niile karịsịa, mgbe ihe ra ka puku arọ abụọ (two thousand years) gasịrị; ọtụtụ testament ọzọ kwa, nke akwụkwọ Jọn dere dị na ya ka á na-ezisasị n'ụwa dum n'ihe ka otù puku asụsụ dị iche iche.

Ọ bụrụ na Jọn azaghị òkù ahụ Jisọs kpọrọ n'ụbọchị ahụ. Ọ dịghị onye gararị amata na o biriri n'ụwa. Ndị èzínaụlọ ya na ndị enyi ya gararị eso ya nwụọ kwa otù aka ahụ. O nweghị kwa onye ọ bụla gaara ekwuta ihe banyere ya. N'ihi na onye ọkụ azụ ahụ dị umeala gere ntị n'olu òkù Jisọs, ọtụtụ ndè mmadụ matara banyere ya taa. O dere ihe banyere Jisọs "ka unu we kwere na Jisọs bu Kraist ahụ, Ọkpara Chineke; ka unu wee nwe kwa ndu n'aha-Ya n'ihi na unu kwere" (Jọn 20:31). O deghị akwụkwọ ahụ niile imere onweya aha, kama ka ewe bulie Jisọs elu ka Ọ dọrọ kwa mkpụrụobi niile ọrịa mmehie ji nye Onweya.

Mgbe Jọn tawokwara ahụhụ rinne n'ihi ụzọ Jisọs ọ hụrụrị aha ya na nkume ahụ dị óké ọnụahịa eji tọọ ntọ-ala Jerusalem ọhụụ ahụ! Ọ matara na nsogbu ya niile ga-ebi na nwa oge ntà. Na nwa oge ntà ya na Jisọs ga-anọ.

Mgbe ọ hụrụ ọhụ̀ ndịa niile ọ matara na ya ga-abụ otù nime Ndịozi ahụ, ndị ga-anọkwasị n'elu ocheeze iri na abụọ ahụ, n'ekpe Israel ikpé. Lee ụgwọ ọlụ ná-echere ya!

Otú ahụ, lee kwa ụgwọ ọlụ ná-echéré anyị kwa! Á ga-enye onye ọ bụla ụgwọ ọlụ ya n'usoro nke ya, dịka ọkpụkpọ ya na ikwesị ntụkwasịobi ya si dị. Ma ndị ahụ kwesịrị ntụkwasịobi ga-enwe afọ ojújú n'ụgwọ ọlụ ha ga-anata. Le ihe ebube ọ ga-abụ mgbe Jisọs ga-asị anyị. "Imere nke-ọma, ezi orù nke kwesiri ka atukwasi gi obi: ikwesiri ka atụkwasi gi obi n'umu ihe ole-na-ole, M'gēme gi onye-isi ọtụtụ ihe."

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Mgbe ikpe ahụ niile gabigasịrị, gịnị ka Jọn hụrụ?
2. Gịnị ka emere ndị ajọ omume? Gịnị ka emekwara ndị ụgha?
3. Ònye kèrè ụwa? Gịnị ka Chineke sị na Ya ga-eme mgbe ebibisịrị ụwa ochie ahụ?
4. Òlee ebe ka Chineke ga-ebi?
5. Gịnị ka anyị ga-eme ka anyị keta òkè ná ndụ nke ụwa ọhụụ ahụ?
6. Gịnị ka onye meriri ga-eketa?
7. Òlee otú ịdị ukwu Jerusalem ọhụụ ahụ ra, ebe ka ọ ga-esikwa bịa?
8. Gịnị ga-abụ ìhè na Jerusalem ọhụụ ahụ?
9. Kọwa ọnụụzọ ama Jerusalem ọhụụ ahụ.?
10. Gịnị ka Jọn hụrụ na nkume nke ntọ-ala ahụ?